# ỊKỤZI MMỤỌ IGBA MBỌ N'IME NDỊ NTOROBỊA IGBO: IBUFE NKWENYE OMENAALA NA *AKA AJA AJA NA-EBUTE ỌNỤ MMANỤ MMANỤ* N'IME ỤMỤAKWỤKWỌ N'OGO SEKỌNDỊRỊ NTA

**Eze, Roseline Ifeoma PhD**
eze.roseline@unn.edu.ng
08064008703

**Ebubechineke, Ifeyinwa Benedette PhD**
ifeyinwa.ebubechineke@unn.edu.ng
08134384482

**Abonyi, Augusta Ngozi PhD**
augusta.abonyi@unn.edu.ng
08030899936
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka

*Corresponding Author: Ebubechineke, Ifeyinwa*

**Ụmị**

Nchọcha a nyochara ikụzi mmụọ ịrụsị ọrụ ike n'ime ndị ntorobịa Igbo site n'ịbufe nkwenye omenaala aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ, n'ihi na mmụọ a na-ada ada n'etiti ndị ntorobịa taa; nke a kpaliri mụọ ndị nchọcha ime nchọcha a. Ebumnobi bụ ilekwasị anya na omenaala Igbo, agụmakwụkwọ, akụkọ ifo, ilu, akpalaokwu, abụ, na ọrụ aka dị ka ụzọ ime ka mmụọ ịrụsị ọrụ ike too n'ime ụmụ ntorobịa agba ọhụrụ. Usoro kwọlitativu na kọnsepụchual ka a gbasoro mee nchọcha a, nke pụtara na e ji nkọwa okwu (ọ bụghị ọnụọgụgụ) tụle akwụkwọ e dere ede, nchịkọta omenaala, na ihe atụ si n'ime obodo kọwaa nkwenye omenaala na agwa ndị na-eto eto. Dịka ihe atụ, akpalaokwu dị ka "onye rụsiri ọrụ ike anaghị anwụ n'ụkọ," abụ ndị a na-abụ n'oge ọrụ ubi, akụkọ ifo gbasara ndị dara ogbenye n'ihi ịrụsị ọrụ ike, na ilu dị ka "aka dị nro adịghị eri nri," gosipụtara omume ịrụsị ọrụ ike. Nchọpụta gosiri na iji nkuzi, mkparịtaụka, ọrụ aka, egwu na akụkọ ifo ga-eme ka mmụọ ịgba mbọ na-etowanye n'ime ndị ntorobịa n'ụzọ ga-akwalite mmụọ ndidi na mgbalị n'ime onwe ha. Ndị nchọcha kọwara na usoro tịọrị *Culturally Relevant Pedagogy* (nkuzi dabere n'omenaala ndị mmadụ) na *Cultural Transmission* (nnyefe omenaala) bara uru n'ịkụzi mmụọ ịrụsị ọrụ ike na nnyefe nkwenye omenaala. Nchọpụta a kwadoro ka ụlọ akwụkwọ, ndị nkuzi, na ndị okenye jikọọ aka inye ụmụ ntorobịa mmụta bara uru, kpalie ha ikike ịgba mbọ n'onwe ha bụ ihe e ji mara nwa amaala Igbo n'ụwa bido n'oge mgbe ochie.

***Keywords**: ịrụsị ọrụ ike, omenaala, aka aja aja, ọnụ mmanụ mmanụ, ụmụ ntorobịa Igbo, sekọndịrị.*

**Abstract**

*Teaching the Spirit of Hard Work to Igbo Youths: Transmitting the Cultural Belief of Aka Aja Aja Na-Ebute Ọnụ Mmanụ Mmanụ among Secondary School Students*

This study examined how the spirit of hard work can be taught to Igbo youths through the transmission of the cultural belief *aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ*, prompted by the observed decline of this spirit among youths today. It focuses on Igbo culture, education, folktales, proverbs, oral poetry, songs, and community work as avenues for cultivating hard work among secondary school students. The study adopts a qualitative and conceptual approach, analyzing literature, cultural archives, and community practices (rather than numerical data) to explain the influence of cultural beliefs on the moral and character education of youths. For example, expressions such as "a hardworking person never dies in want," farm-work songs, folktales about those who suffered for neglecting hard work, and proverbs such as "the lazy hand does not eat" illustrate the value placed on hard work. Findings indicate that incorporating teaching, discussion, community work, songs, and storytelling effectively instills the spirit of hard work in youths, fostering diligence, perseverance, and personal development. The study also highlights the relevance of *Culturally Relevant Pedagogy* and *Cultural Transmission* Theory in teaching hard work and transmitting cultural beliefs. The study recommends that schools, teachers, and community elders collaborate to provide youths with meaningful learning experiences and encourage practical engagement, in order to preserve Igbo cultural values in contemporary society.

***Keywords***: *spirit of hard work, cultural beliefs, aka aja aja, ọnụ mmanụ mmanụ, Igbo youths, secondary school, education.*

**Ntọala**

Agụmakwụkwọ bụ otu n'ime ngwá ọrụ kacha baa uru n'ọganihu mmadụ nakwa mmepe obodo, maka na ọ na-enye ohere ịkụnye ụkpụrụ amamihe, nkà, agwa na okwukwe sitere n'aka ọgbọ okenye gaa n'aka ọgbọ ọhụụ. N'omenaala Igbo, agụmakwụkwọ abụghị naanị ihe a na-amụta n'ụlọ akwụkwọ kamakwa ọ bụ usoro ndụ nke na-akụziri ụmụaka na ndị ntorobịa ụkpụrụ ezi omume, mmụọ igba mbọ, ndidi na ibu ọrụ ezinaụlọ na obodo. Otu n'ime nkwennye omenaala ndị Igbo ji akpọrọ ihe nke ukwuu bụ nkwenye aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ, nke na-egosi na onye na-arụsi ọrụ ike, na-agba mbọ n'ọrụ na-erite uru dị na ya. Ọbịbịa agụmakwụkwọ, mere ka a hazie usoro nkụzi na mmụta n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị, ebe a na-agbadokarị ụkwụ n'ịme ka ụmụakwụkwọ nweta akara dị elu karịa ịkụnye agwa na okwukwe omenaala. Egbe, Asogwa na Ossai (2017) gosiri na nka nkuzi na-emetụta ogo mmụta ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke ukwuu. Ha kwadoro na agụmakwụkwọ abụghị naanị n'akụkụ ọgụgụ isi. N'otu aka ahụ, Eze na Omeje (2018) chọpụtara na ụkọ ngwa nkuzi na ihe enyemaka mmụta na-emetụta nkụzi na mmụta n'ogo sekọndịrị. Mgbe enweghị ngwa nkuzi dabara adaba, ọ na-enye ndị nkuzi nsogbu itinye usoro nkụzi dị mma nke nwere ike ịkwalite mmụta gbasara omenaala na mmụọ igba mbọ n'ime ụmụakwụkwọ. Nke a na-egosi mkpa ọ dị itinye ihe metụtara asụsụ na omenaala Igbo na ngwa nkuzi site na gburugburu ụmụakwụkwọ.

Asụsụ na omenaala bụ ihe abụọ jikọrọ onwe ha, maka na asụsụ bụ ụzọ e si ebu, chekwaa na nyefee omenaala. Willy (2016) kọwara na asụsụ na edemede Igbo jupụtara n'ilu, akpalaokwu na akụkọ ifo nke na-akwalite mmụọ igba mbọ, ịrụsi ọrụ ike na ezi agwa. N'otu aka ahụ, Eze na Umo (2021) gosiri na nkuzi asụsụ na omenaala Igbo n'ogo sekọndịrị na-enyere ụmụakwụkwọ aka ịghọta omenaala ha nke ọma ma meekwa ka ha too n'inwe ezi agwa. Eze na Umo (2019) kwadoro na itinye usoro nkụzi mkparịtaụka na nke omenaala n'ime nkuzi asụsụ Igbo na-akwalite mmụta

omenaala na iwube ezi akpoaramagwa n'ime ụmụakwụkwọ sekọndịrị. Nke a na-egosi na ụlọakwụkwọ nwere ike bụrụ ebe dị irè e si ebufe nkwenye omenaala. N'agbanyeghị uru ndị a, a na-ahụ na ọtụtụ ndị ntorobịa Igbo, ọkachasị ndị nọ n'ogo sekọndịrị nta, amalitela ịdị ume ngwụ n'ọrụ maka mmetụta omenaala mba ọzọ, teknụzụ dijitalụ na ọchịchọ ibi ndụ dị mfe. Ogo sekọndịrị nta bụ oge dị oke mkpa n'iwube agwa na echiche ndụ ụmụakwụkwọ, maka na ọ bụ oge a ka a na-akpụ agwa ha. Eze (2022) kọwara na nkụzi asụsụ Igbo tosiri ịdabere n'omenaala na ọnọdụ obodo ka mmụta wee baa ezi uru. Echiche a na-akwado mkpa ọ dị itinye nkwenye omenaala n'ime nkuzi ka agụmakwụkwọ ghara ịbụ nanị ihe e ji agafe n'ule kamakwa ọ bụ ngwá ọrụ maka iwube agwa. N'ihi ya, itinye nkwennye omenaala na nkụzi n'ogo sekọndịrị nta ga-enye aka ịkụnye mmụọ igba mbọ, ịrụsi ọrụ ike n'ime ndị ntorobịa Igbo. Nchọcha a na-elekwasị anya na ịtụle usoro ikụziri ndị ntorobịa Igbo mmụọ igba mbọ nke ga-enye aka ịbufe nkwenye omenaala aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ n'ime ụmụakwụkwọ n'ogo sekọndịrị nta.

**Nsogbu Nchọcha**

N'oge gboo, mmụọ igba mbọ na ịrụsi ọrụ ike bụ otu n'ime ụkpụrụ kacha baa uru n'omenaala Igbo. A na-akụziri ụmụaka na ndị ntorobịa ihe ndị a site n'ezinaụlọ, obodo nakwa n'ọrụ aka dị iche iche na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Nkwenye a nwere ike inye aka ịzụpụta ndị ntorobịa nwere ndidi, mmụọ ịrụsị ọrụ ike na ịchịkwa ezinaụlọ na obodo. Ka ihe si kwụrụ ugbu a ọtụtụ ndị ntorobịa Igbo, ọkachasị ndị nọ n'ogo sekọndịrị nta, anaghị egosi mmụọ igba mbọ na ịrụsi ọrụ ike dịka a tụrụ anya. Ọtụtụ n'ime ha na-achọ ihe n'ụzọ dị mfe, na-eleghara ọrụ aka na ịgba mbọ anya. Mmetụta omenaala mba ọzọ, teknụzụ dijitalụ, yana ilekwasị anya n'ụlọ akwụkwọ, emeela ka eleghariạ anya n'ịkụnye agwa na nkwennye omenaala.

N'agbanyeghị na e nwere nkuzi asụsụ Igbo na omenaala n'ụlọ akwụkwọ, a naghị etinye nkwenye omenaala dị ka aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ n'ime nkụzi n'ụzọ doro anya. Ọtụtụ mgbe, a na-elekwasị anya n'ịkụziri ụmụakwụkwọ ihe ha ga-ede n'ule kama iji nkuzi kụnye mmụọ igba mbọ na ezi agwa n'ime ha. Nke a emeela ka oghere dị n'etiti ihe a na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ na ụkpụrụ ndụ ndị Igbo ji akpọrọ ihe. Ọ bụrụ na a hapụ ọnọdụ a ka ọ gaa n'ihu, ọ nwere ike imetụta agwa, ọrụ na ọdịnihu ndị ntorobịa Igbo n'ụzọ adịghị mma. Nke a mere, na e nwere mkpa ịtụle usoro a ga-esi na-akụzi ibufe nkwennye omenaala aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ iji kụnye mmụọ igba mbọ na ịrụsi ọrụ ike n'ime ndị ntorobịa Igbo.

**Ebumnobi Nchọcha**

Ebumnobi nchọcha a bụ:

1. Ịchọpụta ka nkwenye omenaala aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ si egosipụta mmụọ ịrụsị ọrụ ike n'ime ndị ntorobịa Igbo.
2. Inyocha ka akụkọ ifo, ilu, akpalaokwu, na abụ Igbo si akwalite mmụọ ịrụsị ọrụ ike n'ime ụmụ ntorobịa n'ogo sekọndịrị nta.
3. Ịtụle otu ọrụ aka na ọrụ obodo si abụ ụzọ e si ezipụta ma kụziere ndị ntorobịa mmụọ ịrụsị ọrụ ike.
4. Inyocha ka teknụzụ dijitalụ (dị ka onyoonyoo, mkparịta n'ikuku, na ule nta) si enye aka ibufe nkwenye omenaala aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ n'etiti ndị ntorobịa n'oge a.

**Ntulegharị Agụmagụ**

N'omenaala Igbo, otu n'ime ihe kacha pụta ìhe maka njirimara na ndụ ndị Igbo bụ mmụọ ịrụsị ọrụ ike na nkwenye siri ike na uru ịgba mbọ onwe onye. Bido n'oge gboo, ndị Igbo amatala na ndụ metutara ntachi obi, ndidi, na ịrụsi ọrụ ike. Nkwenye a mere ka ilu a, a ma ama pụta ìhè: "Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ". Nkọwa ilu a gosiri na mmadụ na-agba mbọ, jiri mgbalị na

ume ala na-arụ ọrụ, ga-erite uru n'akụkụ akụ na ụba, ma n'akụkụ nsọpụrụ onwe ya na nkwanye ugwu n'obodo. N'agbanyeghị mgbanwe ụwa, mmepe sayensị na teknụzụ, na mgbasawanye agụmakwụkwọ nke oge a, nkwenye a ka nwere nnukwu mkpa n'ime ndụ na ọganihu ụmụ ntorobịa Igbo. Taa, a na-ahụ na ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-elekwasị anya n'inweta akara na asambodo, ma na-eleghara anya n'ịmụ agwa ọma na mmụọ ịrụsị ọrụ ike. Nke a emeela ka e nwee mkpa siri ike ịtụgharị uche na usoro a ga-esi jiri agụmakwụkwọ mee ka nkwenye omenaala Igbo gbasara ịrụsị ọrụ ike ghara ịla n'iyi.

N'ihi nke a, ntuleghari agụmagụ a na-eleba anya n'ịtụle akwụkwọ na inyocha ihe gara aga gbasara iwebata mmụọ ịrụsị ọrụ ike omenaala Igbo n'agụmakwụkwọ nakwa inyefe ụkpụrụ omenaala, na i ji asụsụ na nkà Igbo dị ka ngwá ọrụ nkuzi. Ebumnuche bụ igosi ka nkwenye na aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ nwere aka n'ịkwalite mwube akparamagwa na ọganihu ụmụ ntorobịa Igbo, ọkachasị n'ogo ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta.

### Mmụọ ịrụsị ọrụ ike dị ka Ụkpụrụ Omenaala Igbo

Mmụọ ịrụsị ọrụ ike bụ otu n'ime ụkpụrụ omenaala Igbo ji eguzobe ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. A na-akọwa mmụọ ịrụsị ọrụ ike dị ka àgwà nke ịrụsi ọrụ ike, inwe ndidi, iguzosi ike n'ihe, na ịgba mbọ onwe iji mejupụta ebumnuche a tụrụ anya. N'omenaala Igbo, agwa abụghị naanị ihe onye ji eme ka ndụ ya too, kama ọ bụkwa ihe na-emetụta ezinaụlọ, obodo, na ọgbọ na-abịa. Ndị Igbo kwenyere na ọrụ aka bụ isi mbido nke nsọpụrụ na nkwanye ugwu. Onye na-arụsi ọrụ ike na-enweta aha ọma n'obodo, ebe onye na-ezere ọrụ ma na-achọ ụzọ dị mfe isi rite uru na-abụkarị onye a na-ele anya ọjọọ. Nke a gosiri na mmụọ ịrụsị ọrụ ike na-arụkwa ọrụ dị mkpa n'ịhazighari agwa na omume n'obodo ndị Igbo. Willy (2016) kọwara na asụsụ Igbo juputara n'ilu na akpalaokwu ndị e ji eme ka mmụọ ịrụsị ọrụ ike sie ike n'ime obi ụmụaka na ndị ntorobịa.
Dịka ihe ọmụmaatụ, akpalaokwu ndị dị ka "Onye rụsiri ọrụ ike anaghị anwụ n'ụkọ" na "Aka na-arụ ọrụ ka eji ata nri" na-agbanye uche ụmụaka n'ịrụsi ọrụ ike; ilu dị ka "Aka dị nro anaghị eri nri" na "Onye kwuru ọrụ ka a na-eji ọsọ" na-akọwa na onye na-akwadoghị onwe ya n'ọrụ ga-ata ihe n'oge unyaahụ; abụ ọrụ ubi ndị a na-agụ n'oge a na-egwuputa ala ma ọ bụ na-eghere mkpụrụ, dị ka abụ na-akpọ aha ndị rụrụ ọrụ nke ọma iji sike ha ume; na akụkọ ifo dị ka akụkọ mkpụrụ obi eze na nwa ogbenye, nke gosiri na onye a mụrụ n'ọgọ ma na-akwadoghị onwe ya n'ọrụ na-ada ogbenye n'ikpeazụ, ebe onye ọ bụla na-arụsi ọrụ ike na-aba ụba. Ihe atụ ndị a niile bụ ngwá ọrụ ndị Igbo ji ezipụta ma kụziere ụmụaka na ndị ntorobịa ụkpụrụ ịrụsị ọrụ ike. Ilu ndị a abụghị naanị ihe e ji eme ka okwu maa mma, kama ha bụ ngwá ọrụ mmụta na nkuzi e ji ebunye ụkpụrụ ndụ. Site n'akụkọ ifo, ilu, na akụkọ ndụ ndị gara aga, a na-akụziri ụmụaka na ihe niile bara uru n'ụwa chọrọ mgbalị, ndidi, na ime ihe n'ezie. Ọzọkwa, mmụọ ịrụsị ọrụ ike na-enye aka iwulite agwa ọma dịka ịdị umeala n'obi, nkwanye ugwu nye ndị okenye, na ịchịkwa onwe. Onye mụtara ịrụsi ọrụ ike na-amụta ịnagide ihe siri ike na ndụ, nwee ebumnuche doro anya. N'ụzọ dị otu a, mmụọ ịrụsị ọrụ ike bụ ntọala nke ọganihu mmadụ na mmepe obodo n'omenaala Igbo.

### Agụmakwụkwọ na Nnyefe Ụkpụrụ Omenaala

Agụmakwụkwọ bụ otu n'ime ụzọ kacha baa uru e si ewube ụkpụrụ, nkwenye, na agwa ọma site n'otu ọgbọ gaa n'ọzọ. N'omenaala Igbo, agụmakwụkwọ gụnyere mmụta sitere n'ụlọ, n'obodo, na n'ọrụ kwa ụbọchị. Site n'usoro a, a na-akụziri ụmụaka ihe gbasara ịrụsị ọrụ ike, ezi omume, na ịrụ ọrụ n'ezinaụlọ nakwa n'obodo. N'oge ugbu a, agụmakwụkwọ aghọla ụzọ kachasị mkpa e si akwadebe ụmụ ntorobịa maka ndụ. Ka ihe si kwụrụ, ọtụtụ usoro agụmakwụkwọ na-elekwasị anya n'ule, akara, na asambodo, ma na-elefere anya n'ịkụzi ụkpụrụ omenaala na iwube agwa. Nke a emeela ka e nwee ihe dị iche n'etiti ihe ụmụakwụkwọ na-amụta n'akwụkwọ na ihe mmụta nke ndụ n'ezie. Egbe, Asogwa na Ossai (2017) gosiri na ogo nkà na ọzụzụ ndị nkuzi nwere nnukwu

mmetụta n'ogo mmụta na mwube agwa ụmụakwụkwọ. Mgbe ndị nkuzi nwere nghọta miri emi gbasara omenaala na ụkpụrụ obodo ha, ha nwere ike itinye ha n'ime nkuzi n'ụzọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta uru ya. Ma mgbe nkà a na akụrụngwa adịghị, nkuzi na-aghọ ihe e ji achụso akara naanị, na-ewepụkwa agụmakwụkwọ n'ọrụ ya nke iwulite agwa. Eze na Omeje (2018) kwukwara na ụkọ ihe nkuzi na akụrụngwa mmụta na-egbochi itinye ụkpụrụ omenaala n'ime nkuzi kwa ụbọchị. Enweghị akwụkwọ, ihe oyiyi, na ihe enyemaka na-eme ka o sie ike iji ilu, akpalaokwu, na akụkọ ifo mee ka mmụọ ịrụsị ọrụ ike doo anya n'uche ụmụakwụkwọ. Usoro nkuzi dị irè gụnyere mkparịta ụka, ịkọ akụkọ ifo, ide ndekọ echiche, na ịrụ ọrụ obodo. Usoro ndị a na-eme ka mmụta bụrụ ihe na-atọ ụtọ ma na-akwalite mmụta agwa. Mgbe ụmụ ntorobịa na-etinye aka n'ime ọrụ obodo, ha na-amụta uru ịgba mbọ na ịrụsị ọrụ ike n'ebimndụ. Nke a na-egosi mkpa ọ dị ime ka agụmakwụkwọ bụrụ nke jikọtara amamihe mwube agwa. Mgbe e jikọtara nkuzi na ụkpụrụ omenaala, ụmụakwụkwọ na-amụta na ihe ịga nke ọma abụghị ihe a na-enweta n'efu, kama ọ bụ ụgwọ ọrụ ịdị uchu n'ọrụ, ndidi, na imeputa ihe site n'aka ọrụ.

### Ịkwalite Mmụta Site n'Ikike Mkparịta na Teknụzụ

Mmụta nke oge a anaghịzi achọ ka ụmụakwụkwọ nọrọ naanị na-ege onye nkuzi ntị; kama ọ na-achọ ka ha sonye n'ihe ọmụmụ site n'ịjụ ajụjụ, ikwu echiche, na ime ihe. Mmụta nkwado mkparịta bụ usoro nkuzi nke na-enye ụmụakwụkwọ ohere ikekọrịta echiche ha, mụta site n'aka ibe ha, ma tinye ihe ha mụtara n'ime omume. Eze (2016) kọwara na ọ bụ usoro ahụ na-eme ka ọmụụ were mmụta ya tinye n'ọrụ site na mkpakọrịta ha na ndị ọzọ. Ossai, Eze na Obayi (2020) gosiri na teknụzụ na kọmputa nwere nnukwu uru n'ịkwalite ụdị mmụta a. Ikike mkparịta pụtara ịkpalite ụmụ ntorobịa ka ha kwuo okwu, tụlee ihe a kụziri ha, ma nyochaa ya n'uche nke ha. Mgbe e jikọtara teknụzụ na usoro a dịka onyoonyoo, nzukọ n'ikuku, mkparịta (ụka), na ngwa mmụta, ọ na-eme ka mmụta bụrụ ihe na-atọ ụtọ ma dị ndụ. Ụmụakwụkwọ na-amụta nke ọma mgbe ha nwere ohere ikwu ihe ha chere ma gee ntị n'echiche ndị ọzọ.

Nke a nwere ike ịkwalite mmụta agwa na nkwennye omenaala ọmụmaatụ, iji onyoonyoo ma ọ bụ ngụkọ olu n'ikuku kọwaa akụkọ ifo Igbo gbasara ịrụsị ọrụ ike na ndidi. Ndị nkuzi nwere ike igosi onyonyo gbasara ihe ndị Igbo rụpụtara site na mgbalị ha, ma kpalie mkparịtaụka n'ime klasị. Usoro a na-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta na mmụọ ịrụsị ọrụ ike abụghị ihe gara aga, kama ọ ka dị mkpa n'ụwa nke oge ugbu a. Ọzọkwa, iji egwuregwu dijitalụ na ule nta na-enye aka ime ka mmụta ghara ịdị arọ. Mgbe ụmụntorobịa na-amụta site n'egwuregwu, ha na-enwe mmasị ma na-echeta ihe ha mụtara nke ọma. E nwere ike itinye ule nta gbasara ilu Igbo ma ọ bụ nkwenye omenaala nke na-akụzi mmụọ ịrụsị ọrụ ike. Teknụzụ na-akwalitekwa mmụta nkekọrịta. Mgbe ụmụakwụkwọ na-arụ ọrụ n'otu site na kọmputa ma ọ bụ tablet, ha na-amụta ịkekọrịta ọrụ na ịrụsi ọrụ ike. Ihe ndị a niile bụ akụkụ dị mkpa nke na-akụzi ihe a na-eme n'ezi ndụ.

### Omenaala Igbo, Awamanya na Ọzụzụ Ndị Ntorobịa n'Agụmakwụkwọ

Ndị odee na ndị nchọpụta dị iche iche gosiri na omenaala Igbo na nkwennye ya na-arụ ọrụ dị oke mkpa n'ime ọzụzụ na agwa ndị ntorobịa, ọkachasị n'oge ụwa awamanya. Awamanya emeela ka ụwa ghọọ otu obodo buru ibu, nke mere ka ozi, omume, na omenaala sitere n'ebe dị iche iche na-agafe ngwa ngwa site na teknụzụ na intanetị. Maka nke a, ọtụtụ ụmụ ntorobịa na-amụta omenaala mba ọzọ nke ukwuu, ma na-eleghara omenaala nke ha anya. Eze (2022) kọwara na awamanya nwere ike ime ka nkwenye omenaala Igbo daa mbà ma ọ bụrụ na agbaghị mbọ siri ike iji chekwaa ma nyefee ya n'ụzọ tossịrị etosị. Ichefu omenaala na-emetụta njirimara, agwa, na mmụọ ịrụsị ọrụ ike. Site n'agụmakwụkwọ a haziri nke ọma, ọ ga-enyere ụmụ ntorobịa aka ijikọta ihe ọma sitere n'ụwa niile na ụkpụrụ omenaala ha maka iwulite ọdịnihu ka mma. Ọtụtụ ndị odee gosikwara na itinye nkwenye omenaala n'ime usoro nkuzi n'ụlọakwụkwọ bụ otu n'ime ụzọ kacha irè iji mee ka

mmụta baa uru. Willy (2016) si kọwara na asụsụ Igbo bụ ngwá ọrụ dị oke mkpa maka ịkụzi na ichekwa omenaala na nkwennye ndị Igbo, ebe Eze na Umo (2021) gosiri na ịkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na-akwalite mmụta na mwube agwa. E nwere ike itinye nkwenye a n'ime isiokwu dị iche iche dịka mgbakọ na mwepụ, sayensị, nka, na teknụzụ, nakwa site n'itinye ọrụ aka na ọrụ obodo n'ime nkuzi. Nke a na-eme ka agụmakwụkwọ hapụ ịbụ naanị ụzọ e si enweta asambodo, kama usoro e si akpụ agwa ma kwadebe ụmụ ntorobịa ka ha baa uru n'ezinaụlọ na obodo.

Atụtụ Nnyefe Omenaala (Cultural Transmission Theory) nke Pierre Bourdieu (1977) na Atụtụ Nkuzi Dabere na Omenaala (Culturally Relevant Pedagogy) nke Gloria Ladson-Billings (1995) na-akọwa iji ụkpụrụ omenaala na usoro nkuzi kwalite mmụọ ịrụsị ọrụ ike na iwube ezi agwa n'etiti ụmụakwụkwọ. Atụtụ Nnyefe Omenaala na-akọwa na omenaala, ụkpụrụ ndu, iwu, na ezi omume na-esi n'aka ndị okenye gafee n'aka ndị na-eto eto bido n'ezinaụlọ, obodo, na ụlọakwụkwọ. N'ime obodo ala Igbo, a na-enyefe ụkpụrụ dị ka ịrụsị ọrụ ike na ndidi site n'ilu, akụkọ ifo, ịkọ akụkọ, na mmemme obodo. Ilu "aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ" na-egosi nkwenye ndị Igbo na ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike na-ebute ihe ịga nke ọma. Mgbe e tinyere ụkpụrụ omenaala dị otu a n'ime agụmakwụkwọ, ọ na-enye aka ichekwa omenaala Igbo ma na-akpụkwa agwa ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara ịrụsị ọrụ ike na ọzụzụ onwe ha. Atụtụ Nkuzi Dabere na Omenaala, nke Ladson-Billings (1995) na-akwado echiche a site n'ịkọwa na nkuzi tosịrị ịbụ nke nwere ihe ọ pụtara, na-adọta uche, ma jikọọ na omenaala na ahụmahụ ndị na-amụ ihe. Atụtụ abụọ ndị a na-enye ntọala siri ike maka ichekwa njirimara omenaala na ịkwalite mmụọ ịrụsị ọrụ ike, itinye ụkpụrụ omenaala Igbo n'ime agụmakwụkwọ nke oge ugbu a.

## Usoro Nchọcha

Ndị nchọcha gbasoro usoro kwalitetivu na nchọcha nkọwa mee ya bụ nchọcha, nke pụtara na a ga-elekwasị anya n'ịkọwa na nyocha ka ịkụzi mmụọ ịrụsị ọrụ ike na nkwenye omenaala Igbo si metụta ụmụ ntorobịa na ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Eze (2022) kọwara usoro a dịka usoro nchọcha na-enye ohere ịghọta amaihe, echiche, na ahụmahụ. Usoro a dị mma maka nchọcha a maka ụmụakwụkwọ na ndị nkuzi gbasara isiokwu nchọcha a bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ maka na ọ na-akọwa àgwà, echiche, na ahụmahụ n'ụzọ doro anya, nke abụghị naanị site na ọnụọgụ ma ọ bụ ihe atụ. Nke a pụtara na isiokwu ga-eji: Akwụkwọ e dere na akwụkwọ akụkọ omenaala Igbo (Willy, 2016; Eze, 2022; Eze & Umo, 2021), Ihe ọmụma sitere n'akụkọ ifo, ilu, akpalaokwu, na abụ Igbo, Ihe ọmụmaatụ na omume ndị gara aga na ndị ugbu a mee nchọpụta gbasara mmụọ ịrụsị ọrụ ike n'omenaala Igbo na ka e si akụzi ndị ntorobịa. Usoro a na-enye ohere ịkọwa ka nkwenye omenaala Igbo si eme ka mmụọ ịrụsị ọrụ ike too na otu e si e ji agụmakwụkwọ, ọrụ obodo, na nkụzi kwa ụbọchị mee ka ndị ntorobịa too n'ụzọ tosiri etosi. E ji ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sekọndịrị nta na ntuleghari agụmagụ mee nchọpụta: Akwụkwọ e dere gbasara omenaala Igbo na agụmakwụkwọ. Willy (2016), Eze & Umo (2019, 2021), Eze (2022) na-akọwa ihe gbasara mmụọ ịrụsị ọrụ ike na ụkpụrụ Igbo, Akụkọ ifo, ilu, akpalaokwu na abụ omenaala Igbo. E ji ha kọwaa ka aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ si bụrụ ihe na-akwalite mmụọ ịrụsị ọrụ ike n'ime ndị ntorobịa, Ihe atụ sitere n'ọrụ obodo na omume ndị gara aga, ọmụmaatụ, otu ndị Igbo si eji ọrụ aka, ọrụ ebere, na ọrụ obodo a kụziri ụmụ ntorobịa mmụọ ọrụ ike.

## Nchọpụta

Nchọpụta gosiri na mmụọ ịrụsị ọrụ ike bụ akụkụ dị mkpa n'omenaala Igbo. Site n'akwụkwọ e dere, akpalaokwu, ilu na akụkọ ifo gosiri na:

1. Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ bụ nkwennye ndị Igbo nke na-akụziri ụmụ ntorobịa mkpa ịrụsi ọrụ ike, ndidi, na mgbalị. Nke a pụtara na ndị Igbo kemgbe ọtụtụ afọ na-eji nkwennye

a eme ka ndị ntorobịa nwee mmụọ ịrụsị ọrụ ike. Ọmụmaatụ, akpalaokwu dị ka “onye rụsiri ọrụ ike anaghị anwụ n’ụkọ,” abụ ndị a na-abụ n’oge ọrụ ubi iji gbaa ndị ọrụ ume, akụkọ ifo gbasara ndị dara ogbenye n’ihi ịrụsị ọrụ ike, na ilu dị ka “aka dị nro adịghị eri nri,” na-egosipụta n’ụzọ doro anya na ndụ mmadụ na-aga nke ọma naanị mgbe o gbasiri mbọ ike n’ọrụ.

2. Ụzọ nnyefe nkwenye omenaala dị iche iche nke gụnyere: Ịkụzi ya n’ụlọ akwụkwọ: nkuzi asụsụ Igbo na mmụta ọgụgụ isi nwere ike ịtinye ilu, akpalaokwu, na akụkọ ifo nke na-akụzi mmụọ ịrụsị ọrụ ike. Ọrụ aka na obodo: mgbe ụmụ ntorobịa sonyere n’ime/imụ ọrụ aka ma ọ bụ ọrụ obodo, ha na-amụta na mgbalị na ndidi bụ ụzọ e si enweta ihe ọma. Abụ, egwu, na akụkọ ifo: Ndị ntorobịa na-amụta site n’ime ihe na-akpali mmasị, nke na-eme ka nkwenye omenaala dị ndụ n’ime ha.
3. Nkwado mmụta na mwube onwe onye: ụmụ ntorobịa na-amụta site n’ime omume, akụkọ ifo, na ọrụ aka na-ewulite ndidi, ezi agwa, na mmụọ ịrụsị ọrụ ike, nke na-enyere ha aka ime nke ọma n’ụlọ akwụkwọ na n’obodo.
4. Ihe nkuzi na teknụzụ: Ọ bụ ezie na nchọpụta a na-elekwasị anya na omenaala ọdịnaala, teknụzụ dijitalụ (onyoonyoo, ngụkọ olu n’ikuku, akwụkwọ dijitalụ) nwekwara ike ịkwalite nnyefe nkwenye. Nke a pụtara na n’oge dijitalụ, a ka nwere ihe mee ka nkwennye Igbo dị ndụ ma na-enyefe ya n’ime ụmụ ntorobịa.

**Nchịkọta**

N’ụzọ dị mfe, nchọpụta a na-egosi na omenaala Igbo na nkwennye aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ bụ ụzọ dị irè iji kụziere ndị ntorobịa mmụọ ịrụsị ọrụ ike, ndidi, ezi agwa, na mgbalị. Mgbe e jiri nkuzi, akụkọ ifo, ilu, abụ, ọrụ aka, na teknụzụ jikọta ya, ọ ga-eme ka nkwennye a ghara ịla n’iyi ma bụrụ ihe na-akwalite nwulite mmụọ, agụmakwụkwọ, na mmepe onwe onye n’etiti ndị ntorobịa Igbo.

**Mmechi**

Nkwennye aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ bụ ọmụmaaatụ doro anya nke omenaala Igbo si akwado ịrụsi ọrụ ike, mee ka ụmụ ntorobịa too nke ọma, ma kwado mmepe onwe ha n’ụlọ akwụkwọ, n’obodo, na n’ezinaụlọ. Nkuzi, akụkọ ifo, ilu, akpalaokwu, egwu, na ọrụ aka bụ ụzọ bara uru iji nyefee nkwenye omenaala Igbo na mmụọ ịrụsị ọrụ ike n’ime ndị ntorobịa. Usoro ndị a na-eme ka mmụta ghara ịbụ naanị ihe e ji enweta akara, kamakwa ọ bụ ihe bara uru na ndụ, nke na-eme ka ụmụ ntorobịa too n’ụzọ ezi uche dị na ya. N’agbanyeghi, na anyị nọ n’oge awamanya na mgbanwe ụwa, nkwenye omenaala Igbo ka nwere ike ịdị ndụ ma bụrụ ihe na-akwalite mmụọ ịrụsị ọrụ ike n’ime ndị ntorobịa ma ọ bụrụ na e jiri agụmakwụkwọ, teknụzụ, na usoro nkụzi dị irè jikọta ya. Nke a na-egosi na omenaala Igbo bụ ngwa ọrụ nkuzi dị oke mkpa nke na-enye ntọala siri ike maka mwube mmụọ, agụmakwụkwọ, na mmepe onwe onye.

**ARO**

Site na nchọpụta e nwetara, ndị nchọcha wepụtara aro ndị a:

1. Iji omenaala mee ka mmụta bụrụ ihe bara uru: Ndị nkuzi kwesịrị itinye ilu, akpalaokwu, abụ, na akụkọ ifo Igbo n’ime nkụzi iji kụziere ụmụ ntorobịa mmụọ ịrụsị ọrụ ike na ezi agwa.
2. Ịkwalite ọrụ aka na omume ụmụ ntorobịa: Ụlọ akwụkwọ tosịrị ịtinye ọrụ aka, ọrụ obodo, na ọrụ ebere n’ime usoro nkuzi iji mee ka nkwennye aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ bụrụ ihe ụmụ ntorobịa na-eme kwa ụbọchị.

3. Ọzụzụ ndị nkuzi: Ndị gọọmentị tosiri inye ndị nkuzi ọzụzụ iji kwalite nka na amamihe ha gbasara nkwennye omenaala na mmụta nke ọma. Nke a ga-eme ka nkuzi bụrụ ihe na-atọ ụtọ ma baa uru n'ime izulite ụmụ ntorobịa.
4. Ijikọta teknụzụ na omenaala: A ga-eji onyoonyoo, ngụkọ olu n'ikuku, na akwụkwọ dijitalụ mee ka nkwenye omenaala dị ndụ, mee ka mmụọ ịrụsị ọrụ ike na ezi agwa ghara ịla n'iyi, ọbụragodi n'oge awamanya ugbu a.
5. Inyefe nkwenye site n'ezinaụlọ n'obodo: Ndị okenye tosịrị ịkpakọrịta amamihe, ilu, akpalaokwu na akụkọ ifo Igbo n'ime ezinaụlọ na obodo, iji kuzie usoro ọdịnaala n'etiti ndị ntorobịa.

**NRỤMAKA**


Eccles, J., & Gootman, J. A. (2002). *Community programs to promote youth development*. Washington, DC: National Academy Press.

Egbe, C. I., Asogwa, G. O., & Ossai, R. C. (2017). Assessment of English language teaching professional development in secondary schools in Nsukka Local Government Area of Enugu State, Nigeria: Implications for sustainable development. *Journal of Curriculum and Instruction, 11*(3), 34–41.

Eze, R.I. (2016). Adịmire usoro nkuzi mkpakọrịta na mmasị ụmụakwụkwọ n'ideta ụtọasụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, zonu edukeshọnụ Obolo Steti Enugwu Naijirịa. Amụma Ph.D. Mahadum Naijirịa Nsukka

Eze, R. I. (2022). *Nka usoro nchọcha n'asụsụ Igbo*. Nsukka: Chuks Educational Publishers. ISBN: 978-978-56751-7-7.

Eze, R. I., & Omeje, G. N. (2018). Availability of instructional materials for teaching and learning in secondary schools in Nsukka Education Zone, Enugu State. *Ide Journal of Management, Social Science, Peace and Conflict Studies, 1*, 68–76.

Eze, R. I., & Umo, U. C. (2019). Adimire usoro nkụzi mkparịta na nke Odinaala na mmetadebe ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ụtọasụsụ Igbo na zonu mmụta obolo. *Nsukka Journal of Humanities, 27*(2), 39–47.

Eze, R. I., & Umo, U. C. (2021). *Ụtọasụsụ na Omenaala Igbo maka Sekọndịrị Siniọ, SSCE, NECO, NABTEB na JAMB*. Nsukka: Chuks Educational Publishers. ISBN: 978-978-52902-6-4.

Headbloom, A. G. (2014). Error analysis and theoretical consideration in second language learning. In E. Ubahakwe (Ed.), *Teaching of English studies: Reading for colleges and university* (pp. xx–xx). Ibadan: UPS.

Ononiwu, M. C., & Ajemauze, Ọ. U. (2015). Pronunciation among Nigerian EFL students: The ICT solution. *International Journal Research Method of Language and Education, 3*(1), 169–179.

Ossai, R. C., Eze, R. I., & Obayi, J. I. (2020). Promoting classroom interactivity through CALL in the teaching and learning of English grammar in Nigerian federal universities. *International Journal of Arts and Technology Education, 11*(2), 80–94.

Willy, A. A. (2016). *Igbo language and literature in perspective*. Longman Publishers.